# MMIRIÒZÙZÒ NKE MBỤ NA MMIRIÒZÙZÒ NKE IKPÈÀZỤ̀
## Joel 2:21-32; Ọlu Ndi-ozi 2:1-47
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 66 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ma unu gānata ike, mgbe Mọ Nsọ gābiakwasiwori unu: unu gābu kwa ndi-àmàm nime Jerusalem, na nime Judia na Sameria nile, ru kwa ebe uwa sọturu" (Ọlu Ndi-ozi 1:8).**

**I Amụma Nke Joel**

1. Oge nke otuto na ịñụrị ọñụ gaabịa, Joel 2:21, 23, 26; Ọlu Ndi-ozi 2:46, 47
2. Mkwà nke mmiriòzùzò nke mbụ na nke ikpèàzụ̀ ahụ bụ ihe mere eji añụrịọñụ, Joel 2:23
3. Ọ gaabụ oge mkwuwaokwu -- "Ihere agagh-eme kwa ndim rue mgbe ebigh-ebi," Joel 2:26, 27; Ọlu Ndi-ozi 4:13; 14:3
4. Agaenwe mwụsa baraụba nke Mmụọ nke Chineke n'arụ anụarụ niile, Joel 2:28, 29; Ọlu Ndi-ozi 2:4

**II Ụbọchị Pentikọst**

1. "Nka bu nke ekwuworo site n'ọnu Joel onye-amuma," Ọlu Ndi-ozi 2:16
2. Odudonsọ emewo ka ha nọ n'otù olu na otù obi, Ọlu Ndi-ozi 2:1; Jọn 17:11-23; Ndi Hibru 2:11
3. Enyere Mmụọ Nsọ, nke iheàmà ya bụ ikwuokwu n'asụsụ dị icheiche, Ọlu Ndi-ozi 2:2-13
4. Site n'otite mmanụ nke Mmụọ Nsọ Pita kwuruokwu Chineke ná mkwuwaokwu, Ọlu Ndi-ozi 2:14-36
5. Ime ka ekwenye mkwenye nke sitere na Mmụọ Nsọ ahụ mere ka puku mmadụ atọ chègharịa, Ọlu Ndi-ozi 2:37-47
6. Anaawụsa kwa Mmụọ Nsọ, otù iheàmà ahụ náeso kwa, Ọlu Ndi-ozi 10:46; 19:6

**III Mmiriòzùzò Nke Mbụ na Nke Ikpèàzụ̀**

7. Mmiriòzùzò nke mbụ nke anaahụ́ anya naabịa n'oge ọghịgha mkpụrụ, Deuteronomi 11:14; Hosea 6:3; Joel 2:23
8. Mmiriòzùzò ikpèàzụ̀ naabịa tupu enwe owuweiheubi, Joel 2:23; Jeremaia 5:24
9. Mmiriòzùzò ikpèàzụ̀ nke mmụọ zoro n'ọnwa mbụ -- "Abib" n'ọnwa nke ndị Ju, bụ́ ọnwa anọ (April) nke anyị n'arọ 1906, Joel 2:23; Jemes 5: 7; Ọlu Ndi-ozi 2:39

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Nke Anaahụ́ Anya Na Nke Mmụọ**

Ná isi nke 2, àmàokwu 21-27, Joel naekwu okwu banyere ngọzi nke ihe anaahụ́ anya nke Chineke naawụsa; ma ejiri nke anaahụ́ anya nye ihe àtụ̀ nke mmụọ. Ọtụtụ oge n'ijéozi nke Kraist n'eluụwa O jiri ụfọdụ ihe nke anaahụ́ anya dị Ya gburugburu wee náakọwa ịmamma nke ngọzị niile nke ihemmụọ. Na Palestine mmiriòzùzò nke mbụ bụ maka ịkwadobe ala maka mkpụrụ; mmiriòzùzò nke ikpèàzụ̀ bụ maka owuweiheubi. Mkwà nke mmiriòzùzò ndịa naatụ̀ aka banyere ngọzi niile nke ihe anaahụ́ anya na nke ihemmụọ nke Chineke gaje ịwụsara ndị Ya.

**"Ọ gēru kwa ma emesia, na M'gāwusa Mọm n'aru anu-aru nile, bú madu; umu-unu ndikom na umu-unu ndinyom gēbu kwa amuma, ndi-okenye-unu gārọ nrọ, umu-okorọbia-unu gāhu ọhù:**

**"E, ọbuná n'aru ndi-orù ndikom na aru ndinyom nēje ozi ka M'gāwusa mọm na mgbe ahu" (Joel 2:28, 29).**

**Ihe Ọhụụ**

Anyị pụrụ ịhụ na agaje inwe nnọọ ihe dị iche pụtara ìhè site n'ihe ọ bụla nke mewororị ná mmeso niile nke Chineke na ndị Ya. N'oge ochie ọ dị ndị enyere ịnọ n'ọkwá dị icheiche nke ihemmụọ. Ndị nchụàjà gaabụ ndị amụrụ na èzinaụlọ Eron ka ha wee bụrụ ndị gaeweta ọkwá ahụ, ha naeje kwa ozi ha n'usoro. Chineke naakpọ ndị amụma n'ụzọ pụrụ iche. Ma n'ebe a Chineke tụpụtara oge nke ọ bụ nime ya ka ọ gaawụsa mmụọ Ya n'arụ anụarụ niile, bụ́ mmadụ. Ụmụndịkom na ụmụndịnyom, ndịorù ndịkom na ndịnyom náejeozi, ha niile gaebu kwa amụma, maọbụ kwusa eziokwu ná mmazu Chineke. Nke a gaje ịbụ oge dị ebube! N'Ọlụ Ndi-ozi 2:16 anyị gụrụ na Pita guzoro n'Ụbọchị Pentikọst kpọsaa sị "Nka bu nke ekwuworo site n'ọnu Joel onye-amuma."

**N'otù Olu Na Otù obi**

"Mgbe ubọchi Pentikọst nēzu okè ha nile we nọkọ n'otù olu na otù obi na n'otù ebe" (Ọlu Ndi-ozi 2:1). Amaokwu nke a naekpughe eziokwu dị nnọọ mkpà. Agwara anyị n'akwụkwọ Ndị Hibru 2:11, "N'ihi na ma Onye nēdo ha nsọ, ma ndi anēdo nsọ ha nile sitere n'otù Nna". Ha naekwkọrịta, ma nwee kwa otù uche na otù olu na otù obi nime Oziọma. Náánị ndị edoro nsọ bụ̀ ndị nwereike n'ezie ịnọ n'otù olu na n'otù obi. Jisọs kpereekpere ka edo

ndị náesoụzọ Ya nsọ ka ha wee bụrụ otù. (Lee Jọn 17). Azawo ekpere ahụ -- ha bụrị ndị edoworo nsọ. Ha nọ n’otù olu na n’otù obi n’otù ebe.

Ọ dị ụfọdụ ndị kwere n’òzízí nke odudonsọ, ma ha naakpọ odudonsọ Ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ. Akwụkwọnsọ naagwa anyị na odudonsọ bụ nhichapụ, nsacha, na ọlụ ime ka adị ọcha ahụ bú nke anaalụ ná ndụ mmadụ mgbe azọpụtasịrị ya. Ọ bụ mnwapụta nke náapụta kwa ìhè n’otù mgbe ahụ nke ọ bụ kwa nime ya ka anaebibi mmehie ahụ nke eburu pụta ụwa. Dịka nzọpụta naagbanwe ndụ n’otù ntabianya, gbaghara ma wepụ kwa mmehie nke mmadụ mere n’onweya, otú a ka odudonsọ naewepụ “Adam ochie,” maọbụ mmehie ahụ eburu pụta ụwa.

**Ike**

Ọbịbịa nke ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ bụ mmezu nke mkwà ahụ nke Jisọs kwere ndị naesoụzọ Ya mgbe O sịrị, “Ma unu gānata ike, mgbe Mọ Nsọ gābiakwasi-wo-ri unu.” Ike! Ike bụ ihe ahụ dị mkpà -- ọkụ. Gịnị bụ ùrù mashin, ngwongwo igwè alụziri nkeọma bara ma ọ bụrụ na ike ọkụ adịghị ya? Ị̀ hụwo ụgbọala ọhụụ ka ọ naeguzo n’okporoụzọ? Ọ naeguzo n’ebe ahụ dịka ihe zuru òkè -- gịa ya, shaft, na pistọn niile, na ihe niile ọ bụla ka edoziwo kwara nkeọma – ma o nweghị mmiri n’ebe mmiri naadị maọbụ ọkụ nke náenye ya ike. Ma tinye mmiri nime ihe naesi mmiri (boiler) na ọkụ nime igbeọkụ (fire box), ngwangwa geeji (maọbụ ihe ahụ nke naegosi ọnọdụ) nke injin ahụ ewee gbaa gburugburu rue narị abụọ na iri ise, narị pound atọ maọbụ karịa, ọ bụghị náání na ụgbọala ahụ gaechipụ gawa, kama ọ gaadọkpụrụ kwa ihe niile agbakwụnyere ya n’àzụ̀. Ọ bụrụ na anyị enweta ike nke sitere n’Elu, ọ bụghị náání na anyị gaeje n’onweanyị kama anyị gaeme kwa ka ihe anyị na ya naenwe mmekọ soro anyị jee. Ka Chineke nye anyị ike ahụ taa!

Uche anyị na ike anyị abaghị urù ọ bụla rue mgbe emejuru anyị n’ike nke Mmụọ Nsọ; mgbe ahụ talent anyị niile, onyinye anyị niile pụrụ iche, ihe niile nke anyị nwere gaesoro Mmụọ nke Chineke lụkọ ọlụ n’ịdị n’otù zuruòkè. Otù Pita ahụ onye gọnarịrị Onyenwe ya, ma laghachikute kwa Chineke, mgbe awụsasịrị Mmụọ Nsọ, kwuru okwu Chineke ahụ dị ebube site n’ike nke Mmụọ Nsọ ahụ nke esitere n’Eluigwe zidata. Emere ka puku mmadụ atọ chègharịa.

**Dịrị Anyị Taa**

Ụfọdụ naakọwa na ọwụwụmmiri ahụ abụghị maka anyị taa; na ọ bụ náání maka iji tọọ ntọala nke Nzukọ Kraist na mgbe ochie. Pita kwusara sị, “unu ka nkwa nka diri, umu-unu, na ndi nile nọ n’ebe di anya, ka ha ra, bú ndi Onye-nwe-ayi Chineke gākpọtara Onwe-Ya” (Ọlu Ndi-ozi 2:39). Agụnyere onye ọ bụla na nke a, ka ha ra bụ̀ ndị niile gaeme ihe Chineke sị ha mee.

**Iheàmà Ahụ**

Ndịọzọ naasị na anyị pụrụ ịnata ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ ma iheàmà nke asụsụ adịghị mkpà. Anyị gụrụ na n’Ụbọchị Pentikọst ha niile wee jupụta na Mmụọ Nsọ, wee malite ikwuokwu n’asụsụ dị icheiche, dịka Mmụọ Nsọ ahụ naenye ha ike ikwuwa okwu.

Ọ bụ iheàmà nke asụsụ dị iche mere ka ndị Ju mara na Chineke awụsawokwa Mmụọ Ya n’isi Ndị mbaọzọ nke èzinaụlọ Kọniliọs (Ọlu Ndi-ozi 10:44). Chineke nọ kwa náenye ndị kwereekwe ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ n’ụbochị taa, otù iheàmà ahụ náeso kwa, -- nke bụ́ ịsụ asụsụ dị icheiche.

Ọ dị ihe dị nnọọ iche n’etiti ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ nke iheàmà ya dịka Baịbụl kwuru na ọ bụ ịsụ asụsụ dị icheiche, na onyinye dị icheiche nke Mmụọ Nsọ. Ọ bụ eziokwu na enwere onyinye amara dị icheiche, “Asusu di iche iche” bụ otù onyinye amara, ime ka arụ dị mmadụ ike bụ kwa nke ọzọ, ibu amụma bụ kwa ọzọ. Izi ihe bụ kwa ọzọ, izisa oziọma, okwukwe, na ndịọzọ. ma ọ dị ihe dị iche n’onyinye amara ndịa nke Pọl depụtara n’akwụkwọ Ndị Kọrint, na ikwuokwu n’asụsụ dị icheiche n’Ụbọchị Pentikọst. Ma ọ bụghị otú a narị mmadụ na iri abụọ ahụ bụ́ ndị kwereekwe nọ nime ụlọ elu ahụ gaenweworị onyinye dị icheiche. Mgbe Onye nkasịobi ahụ bịara ewee wụsara ha Mmụọ Nsọ, ha niile natara otù iheàmà ahụ.

**Ha Niile Bụ Ndị Ju**

Ụfọdụ na asị na ikwuokwu n’asụsụ dị icheiche ahụ dị mkpà ime ka ndị si na mba dị icheiche -- Mesopọtemia, Kapadosia, Libia, Ijipt, -- ghọta ozi ahụ. Ọlu Ndi-ozi 2:5 naagwa anyị na ha niile bụ ndị ju, n’ihi nke a, ha naaghọta asụsụ ahụ dị icheiche bụ́ maka ihe ịrịbaàmà, ọ bụghị ime ka ndị Ju ghọta. Okwu Chineke nke Pita kwuru na nkọwa ya abụghị n’ọtụtụ asụsụ, kama n’otù. Ndị ahụ nụrụ ya ma ghọta kwa ya.

**Ndị Náawịara N’ihe Nke Mmụọ**

Ọ dị ndị na anụọkụ n’obi n’okpukpé n’ụzọ náezighịezi ndị wetaworo Oziọma nke Mmiriòzùzò ikpèàzụ̀ ihe ịtaụta, site n’asụsụ ụgha na ihe ịrịbaàmà ụgha dị icheiche. Ọtụtụ mmadụ naenyefe onwe ha n’ụdị asụsụ na ịrịbaàmà ụgha ndịa site n’ịchọ ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ na ọkụ mgbe anaebughị ụzọ doo ha nsọ. Ekwensu naenwe nnọọ oyiyiụgha maka ndị náejikereghị irubeisi n’Okwu niile nke Chineke. Otú ọ dị ezi ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ dị náagbanyeghị oyiyi ụgha nke ekwensu.

**Mmiriòzùzò Nke Mbụ Ahụ**

Dịka amụma nke Joel kwuru, Chineke wụsara Mmụọ Ya n'arụ anụarụ niile bụ́ mmadụ n'ụbọchị niile nke Ndịozi. Nke a bụ Mmiriòzùzò Mbụ nke mmụọ bụ́ nke Chineke kwererị ná mkwà. Ụbọchị Pentikọst bụ mmalite ya ma ọ bụ oge ọghịgha mkpụrụ, nke Nzukọ Kraist. Chineke wụsara Mmụọ Ya, ndịozi wee pụọ kwusa Oziọma n'ebe niile. Emere ka Nzukọ Kraist guzosieike ma gaa kwa n'iru na nwa oge: emesịa "nwezuga ahu" wee bịa ya na ọkpụkpọnkụ nke ihe mmụọ.

**Mmiriòzùzò Nke Ikpèàzụ̀ Ahụ**

Tupu ọbịbịa nke ugbò abụọ nke Onyenweanyị na oge owuweiheubi ọ dị mkpà ka atute Nzukọ Kraist. Chineke ekweworị mkwà Mmiriòzùzò Ikpèàzụ̀.

**"Ya mere, umu-nnam, nātachinu ogologo-ntachi-obi rue ọbibia nke Onye-nwe-ayi. Le, onye-ọlu-ubi nēche nkpuru di oké ọnu-ahia nke ala, nātachi ogologo-ntachi-obi n'ebe ọ di, rue mgbe ọ gānata miri-òzùzò mbu na miri-òzùzò-ikpe-azu" (Jemes 5:7).**

N'ọnwa anọ n'arọ 1906, ọ dị ọtụtụ ezi ụmụ Chineke na Los Angeles, Kalifonia, ndị nọ nánzukọ dị icheiche, náekpe ekpere maka mwụsa nke Mmụọ Nsọ na ntute nke ụwa niile. Otù onye ụkọ Chukwu nke si n'obodo Welsh naabịa ntute ahụ na Los Angeles n'oge ahụ kpaliri mmụọ ha ikpeekpere. Enwere òtù ekpere dị icheiche ná nzukọ dị icheiche n'ebe ahụ, ma eleghịanya rue kwa gburugburu ụwa niile, n'oge ahụ ndị ná ekpeekpere maka ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ, ya na ntute. Ma ọ dị òtù ntà nke **ndị edoro nsọ** ndị rọpụtara ụbọchị iri nke nnọkọ ekpere maka ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ. Ha niile nọ n'otù olu na otù obi, náenwe kwa olileanya na mgbe ọ bụla ha natara ike nke Pentikọst ha gaanata kwa ihe irịbaàmà nke ikwuokwu n'asusụ dị icheiche dịka n'Ọlu Ndi-ozi 2:4. Onyenweanyị kàrà ọgbakọ ahụ àkàrà Ya.

Joel bururị amụma na agaenye Mmiriòzùzò nke Ikpèàzụ̀ ahụ n'ọnwa mbụ. Ọnwa mbụ nke ndị Ju bụ "Abib," maọbụ April (ọnwa anọ) anyị.

N'abalị iteghete nke ọnwa April 1906 ike ahụ dara n'ụlọ nzukọ ntà nke dị n'okporoụzọ anaakpọ Bọnnie Brae ebe òtù ntà ahụ zukọrọ. Ụfọdụ natara ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ ma kwue kwa okwu n'asụsụ dị icheiche dịka Mmụọ ahụ naenye ha ike ikwuwa okwu. Emere ka ike ukwu nke Chineke pụta ìhè. Ekwusara nke a ná mba niile. Ọtụtụ mkpụrụobi agụụ naagụ bịara rue mgbe ụlọ ntà ahụ niile náapụghị kwa ịbà ha. Ha wee chọta ụlọ ebe ha naakwụ ụgwọ nke dị ka ọbà nke dị kwa n'okporoụzọ anaakpọ Azusa; ọ bụ ebe ahụ eledara anya, ma ọ bụ n'ebe ahụ ka ha natara Mmụọ Nsọ

Chineke nọ kwa náenye ndị kwereekwe ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ n'otù ụzọ ahụ. Enyewo Mmiriòzùzò Mbụ na nke Ikpèàzụ̀. Oge owuweiheubi ahụ dị kwa anyị nso. Onyeọlụubi ahụ nke cheworo ọtụtụ oge maka mkpụrụ ahụ dị óké ọnụahịa nke ala agaghị echekwa ọtụtụ oge ọzọ. Jisọs naabịa ọsọsọ!.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Òlee njikere dị mkpà iji bụrụ onye tozuru òkè maka ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ?
2. Gosi site n'Akwkụkwọnsọ ihe náakwagide na ikwu okwu n'asụsụ dị icheiche bụ iheàmà nke nnata ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ.
3. Ikwuokwu n'asụsụ dị icheiche ọ̀ bụ nnọọ ihe mkwagide ịnata Mmụọ Nsọ?
4. Òlee akụkụ nke Akwụkwọnsọ naeme ka anyị mara na Ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ dịrị anyị taa?
5. Òlee mgbe Mmiriòzùzò Mbụ nke ime Mmụọ zoro? Òlee mgbe nke Ikpeazụ̀ zoro?
6. Òlee ihe ọ pụtara bụ̀ mmiriòzùzò nke ikpeazụ̀ n'ọnwa mbụ?
7. Òlee otú esi eji Joel tụnyere usoro ndịọzọ dere ihe n'Agba Ochie?
8. Iheàmà nke ikwuokwu n'asụsụ dị icheiche mgbe anatara ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ na onyinye nke ikwuokwu n'asụsụ hà bụ otù ihe?
9. Òlee ihe eji náenye mmiriòzùzò anaahụ́ anya nke mbụ na nke ikpeazụ̀?
10. Mmadụ òle ka emere ka ha chigharịa n'Ụbọchị Pentikọst?
11. Mmadụ òle natara ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ n'Ụbọchị Pentikọst?